# AKARA IHU DỊ ICHE ICHE : OZI NA MPỤTARA HA

**Euphemia Chinazọm Jideofor**

O7O33935784

Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshia
Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

## Ụmịedemede

Akara ihu bụ ozi niile ndị ahụ a na-enweta n'ịkpa ụbụbọ ma ọ bụ na mmekọrịta izugbe site n'ihu. Akara ndị a bụ akara metụtara isi, anya, ihu niile, ọnụ na imi. Ihe kpalitere mmụọ nwa nchọcha bụ na ọtụtụ achọpụtabeghị na o nwere ezimozi akara ihu dị iche iche nwere ma ya fọdụzịa ịmata mkpa ọ dị n'izi ozi. N'agbanyeghị nke ahụ, ha na-apụta ihe n'ọnọdụ mmekọrịta ọ bụla ma bụrụ ọkpụrụkpụ ngwa e ji ekpebi ka agwa anyị na nke ndị ọzọ dị. Ebumnuche nchọcha a bụ ịchọpụta mpụtara akara ihu dị iche iche, ịchọpụta ozi dị iche iche akara ndị ahụ na-ezi na ịchọpụta uru akara ihu bara n'omenala Igbo. Nchọcha a bụ nke sọvee. Nwa nchọcha ji ajụjụ ọnụ ọ gbara ndị mmadụ nweta ngwa nchọcha ya. Ndị e ji mee nchọcha a bụ ụmụ nwoke na ụmụ nwaanyị ndị Anambara bi n'Ọnịcha. A gbasoro atụtụ nke akara wee kọwaa ngwa nchọcha a . Nchọpụta e nwetara gosiri na e nwere ọtụtụ mpụtara ihu nke ụfọdụ bụ: ihu mgbarụ, ihu ụfụ, mgbagwọju anya, ịrọ anya, dg. A chọpụtakwara na o nwere ọtụtụ ozi akara ihu ndị a na-ezi, nke gụnyere: 'isu imi', nke ozi ya bụ ịkwa emo, 'mgbagwọjuanya', nke ozi ya bụ ntụmadị, 'ihu ụfụ', nke ozi ya bụ ahụ ụfụ, dg. A chọpụtara na uru akara ihu bara gụnyere na: ọ na-adị ngwa n'izi ozi, onye ọ bụla na-eji ya ezi ozi, ọ bụ ihe e ji akọ na uche eme. Nwa nchọcha na-atụzị aro ka e webata nkụzi na ọmụmụ akara ndị a na ndị ọzọ n'ogo ụlọ akwụkwọ dị iche iche nke ọma ka e nwee ike mụta ha etu o kwesiri.

## Mkpọlite

Akara ihu so n'ụzọ ezimozi e nwere n'ụwa nke ndị mmadụ ejighi mpụtara ya kpọrọ ihe dị ka nke ekwumekwu na ederede. Ihe kpalitere mmụọ nwa nchọcha ide maka akara ihu n'Igbo bụ na e deela ọtụtụ ihe banyere akara ihu n'omenala ndị ọzọ, mana e debeghị ọtụtụ ihe banyere nke metụtakarịrị naanị omenala Igbo, ọkachasị nke e ji asụsụ Igbo dee kpọmkwem. Ihe ọzọ kpalitere mmụọ nwa nchọcha bụ na e ji ha ezikọrịta ozi kwa ụbọchị, mana ndị nchọcha akpọghị ha mkpa ịchọpụta mpụtara ha na ozi ndị ha na-ezi.

Akara ihu bụ ụzọ ezimozi mbụ e nwere n'ụwa tupu nke ekwumekwu na nke ederede apụta. Ọ bụ ụzọ ezimozi mbụ n'ihi na ozigbo a mụpụtara nwa, ezimozi mbụ a ga-enweta bụ ibe akwa. Ibe akwa n'onwe ya bụ akara ezimozi nke mpụtara ya bụ enweghị ọṅụ. Nwata bido ịṅụ ara, ebe izizi anya ya na-aga bụ n'ihu nne ya. Nke a bụ ịma ka uche obi nne ya dị. Akara ihu ọkacha anya, bụ enyo e ji ahụ uche obi mmadụ. Akara ezimozi abụghị ihe ọhụrụ n'ebe amụmamụ lingwistik dị, kama ịkọwa mpụtara ya malitere mgbe etebeghị aka. Site na nchọcha e mere, a chọpụtara na ọ dị ụzọ akara ihu asaa mpụtara ha bụ izuzugbe. Ha bụ: aṅụrị, enweghi obi ụtọ, iwe, akpọm asị, nleli, mgbagwọju anya na egwu.

Akara ezimozi ọ bụla gbadoro ụkwụ n'asụsụ. Mmadụ chemie echiche ime etu ụwa kaara ịdị ma a sị na asụsụ adịghị. Onye ahụ ga-achọpụta na ndụ mmadụ tụmadị ka o siri gbasa mmekọrịta mmadụ na ibe ya kaara ịhịa nnukwute ahụ. Nke a bụ maka na ọ bụ usoro asụsụ ka

mmadụ na ibe ya ji amata ihe ha bu n'uche. Ya kpatara asụsụ ji dị oke mkpa na ndụ mmadụ. Crystal (1997) kọwara na o nweghi ihe ọ bụla mmadụ nwere ike ime ma e wezuga enyemaka asụsụ.

Asụsụ dị ka Ngoesi (1993) siri kọwaa bụ iji mkpụrụ okwu nwegasịrị nghọta, ndị e nwere ike ịsụ asụ, dee ede ma ọ bụ gụọ agụọ, mee ka a mata ebumnobi mmadụ. Anagbogụ, Mbah na Eme (2010) kọwara na asụsụ bụ ụzọ mmadụ wepụtara e si ezikọrị ozi n'ụdị echiche, mmetụ aka, inwe mmasị na mmetụta obi site n'okwu ọnụ ma ọ bụ ederede.

Mgbado ụkwụ nchọcha a bụ ịchọpụta mpụtara na ozi dị iche iche ihu na-ezi nạ ịmata uru akara ezimozi ndị a bara n'omenala Igbo. Akara ihu bụ asụsụ e deghị ede, a sụghị asụ mana o nwere mpụtara n'ọnọdụ mmewere ha.

Iji mee ka ọrụ a nwee ezi nhazi, nwa nchọcha kebiri ya n'isiokwu ndị a:Mkpọlite, ntụleghari ederede, atụtụ nchọcha, usoro nchọcha, nsogbu nchọcha, mpụtara na ozi akara ihu dị iche iche, uru akara ihu bara, nchịkọta, mmechi na aro nwa nchọcha.

## Ntụleghari ederede

Ndịmele (1999) na-ekwu na akara ezimozi bụ ụzọ e si ezi ozi n'abụghị ederede ma ọ bụ ekwumekwu. A na-eji ọgan okwu ezipụta akara ezimozi ụfọdụ dị ka ibe akwa, ọchị, ighe ughere, iti mkpu, dg. E nwere ụfọdụ okwu dị aṅaa e ji emeju okwu mgbe mmadụ amaghịkwa ihe ọ ga-ekwu dị ka 'em, am, mm'. Ụdịdị akara ezimozi ọzọ e nwegasịrị bụ asụsụ akara na mmegharị ahụ. Akara mmegharị ahụ gbasara etu e si nwe ike iji akụkụ ahụ mmadụ dị iche iche kwue okwu. Ịma atụ, akara ihu, nlerịta anya, akwa nrụrụ ihu, ikwe n'isi, ikwe n'aka, mmetụ aka, dg. Hudson (1996) kọwara na ụfọdụ akara ihu bụ izugbe. Ya bụ ndị ọ ga-abụ e nyochaa nke ọma, a hụta mpụtara ha dị ka ihe e nwekọrọ ọnụ. Akara ndị ahụ gụnyere: aṅụrị, uju, iwe, akpọmasì, egwu na mgbagwọju anya.

N'ịga n'ihu gbasara akara ezimozi, Abercrombie (1968) na-ekwu na otu ihe dị mkpa n'akara ezimozi bụ mmekọrịta dị n'etiti ndị na-ezi ozi. Nnọdebe nso ha na-egosi etu ịhụnanya ha siri dị. Ịma atụ, ndị Arab na-enye obere ohere n'etiti onwe ha mgbe ha ji akara ezimozi akparịta ụka karịa ndị Amerịka. Ntụlekọrịta a gbadoro ụkwụ na nnyocha Wason (1996) mere iji lee ma ohere dị n'etiti ụmụ akwụkwọ ndị Arab na ndị Amerịka ọ bụ otu ihe. A họpụtara ụmụ akwụkwọ iri na isii, nwoke na nwaanyị bụ ndị Amerịka na Arab. E debere ha n'ime ụlọ, nye ha ohere ịkpa nkata n'emeghị ka ha mara na a na-enyo ha. Nchọpụta ha na-egosi na ndị Arab nọkarịrị onwe ha nso karịa ndị Amerịka.

Nwalozie (2010) kọwara na akara ezimozi metụtara ihu niile. Ọ chọpụtara na e ji akụkụ niile ezikọrịta ozi tụmadị n'omenala Igbo. Odo (2010) kwukwara maka akara ihu dị iche iche na ụfọdụ mpụtara ha n'asụsụ Bekee. Ọ chọpụtara na isi sekpụ ntị n'akara ezimozi niile bụ isi n'ihi na ọ bụ isi ka ụbụrụ na-enye mmadụ echiche dị. N'igan'ihu, Ekman (1994) mere nchọcha na New Guinea maka mpụtara akara ihu. Nchọcha ya metụtara ndị ha na mmadụ ibe ha enweghi mmekọ n'ụdị ọ bụla. Ọ chọpụtara na e nwere akara ihu bụ izugbe. Ha bụ: aṅụrị, uju, iwe, akpọmasị, egwu na mgbagwoju anya. Onye ọzọ mere ụdịrị nchọcha a bụ Eibl (1973). Ọ kọwara na nke a pụtara ihe mgbe o mere nchọcha n'ụmụ aka isii dara ogbi ma kpuo isi kamgbe a mụrụ ha. Ọ chọpụtara na etu ha si egosi mmasị n'ihe dị ka aṅụrị, uju, iwe, akpọmasị, egwu na mgbagwoju anya bụ otu na nke izugbe. Nke a na-egosi na mpụtara akara ihu ndị a bụ izugbe bụ ndị na- ahụ, ihe dị n'ime mmadu.

Otu o sila dị, Agyekum (2004) na-ajụ sị kedu akara ihu mpụtara ya na nke e kwuru n'ọnụ bụ otu? A chọpụtara na ọ bụ 'Ee na mba'. Matsumoto (1992) dere maka akara ihu,

na-ekwu na omenala ndị Eshia dị ka Chaịna na Indịa anaghị ejikarị akara ihu kpọrọ ihe nke ukwu dị ka ndị*Spanish* na *Danish*. Ndị iche dị na nkọwa ha bụ ka nghọta omenala ha siri dị. Ya mere Burns (2009) ji kwuo na omenala obodo ọ bụla nwere ụzọ dị iche iche o si enye nkọwa mpụtara akara ihu. Ya bu na inye nkọwa mpụtara akara ihu bụ etu obodo ọ bụla siri ghọta ya. N'ịkowa maka akara ihu, ọ dị ihe ụfọdụ kwesiri ịmata. Onye a na-ele anya n'ihu mpụtara a ga-enweta n'ihu onye ahụ, na-akọwa ihu ya. Burns kwukwara na akara ihu na-egosi mgbagwoju anya na egwu yiri onwe ha na nzipụta. Nke a pụtara na a na-ewere nke mgbagwoju anya mere nke egwu. Anya na-egosikarịọnọdu mmadu nọ na ya.

Ekman (1994) na-ekwu na mkpa anya dị sitere na mgbe mmadụ na-aṅụ ara; nwatakịrị na nne ya ji nlerita anya kpọrọ ihe. Ọ sị na akara anya na-egosi mmasị, ịhụnanya na itinye uchu n'ihe. Na elekọtaghị anya na-egosi enweghi mmasị n'ihe. Hager (1983) na-akọwa na omenala ọ bụla nwere iwu na-echekwa akara anya ha. Ịma atụ, n'omenala ndị Arab, Pakịstan na Indịa, ilerita anya na-egosi asọmpi. N'ịga n'ihu, gbasara akara ihu, Hager (1982) na Ekman (1978) duru ndị mmadụ mee nchọcha maka akara ihu. Ha chọputara na o nwere akara ihu abụghị ihe dị ka ndị ọzọ mana e ji ya ezikọrịta ozi nke abụghị n'omenala niile.

Nchọpụta ha gosiri na ndị mgbago ugwu Eshia na Etiti Eshia na-ele anya n'akara ihu dị iche iche tupu ha ekwuwe maka mpụtara ya. Ha na-ele anya n'ọnụ na anya mgbe ha na-ekwu okwu. Ndị ọdida anyanwụ Amerika na-eji ọnụ egosi ọṅụ na iwe, ebe ndị ọwụwa anyanwụ na-eji anya egosi ọṅụ na iwe.


Atitono (2006) dere maka mpụtara akara ihu n'asụsụ Gur dị na Gurene Ghana. Ọ chọpụtara na ndị Ghana ji akara imi, ọnụ, anya na ihu niile ezikọrịta ozi karịa n'omenala ndị ọcha. Akaan (2010) dekwara maka mpụtara akara ihu n'asụsụ Tivi nke dị na Steeti Benue, Naijirịa. Ọ chọpụtara na n'ime akara ihu iri na anọ o jiri mee nchọcha, na ụzọ atọ bụ ihe dịwagara iche n'omenala ha na ndị e nwekọrọ ọnụ n'ụwa. Ọsịsa na nghọta dị mkpa n'akara ezimozi. Ọ bụ ya mere Hybels na Weaver (1989) jiri kwuo na ọsịsa na nghọta dị nnukwu mkpa n'ihi na ọ na-enyere ndị ezimozi a metụtara aka ịhụ na ebumnuche ya bụ ozi bịara na mmezu.

**Atụtụ nchọcha**

E ji atụtụ akara mee nchọcha a. Ọ bụ Pierce guzobere atụtụ akara n'afọ 1839. Ọ kọwara akara dị ka ihe ọ bụla e kpebiri maka ihe, bụ nke a kpọrọ ihe mmetụ aka ma kwekọrịta ihe ọ pụtara site n'echiche mmadụ nyere ya. O kwuru na amụmamụ atụtụ akara nwere mpaghara atọ jikọrọ onwe ha ọnụ: akara – ihe nhụrụ anya – nkọwa. Akara bụ mbunuche, nhụrụ anya bụ ihe a na-elere anya nye nkọwa, ebe nkọwa bụ ọsịsa e nwetara. N'ọrụ a, akara bụ mbunuche, mmadụ bụ nhụrụ anya, nkọwa bụ ọsịsa e nwetara. A ga-eji eserese a nwere akụkụ atọ gosi ya nke ọma:

Eserese 1


Akara (mbunuche)



Atụtụ akara atọ a dị ka Pierce siri kwuo e nweghi nke a ga-ewepụ ghara ibe ya. Ha atọ dị oke mkpa ma na-arụkọkwa ọrụ. A gbasoro atụtụ a n'ihi na nchọcha a metụtara akara (mbunuche), nhụrụnanya (mmadụ) na nkọwa (ọsịsa) ihe e gosiri.

Saussure (1857-1913) bụ nna lingwistik agba ọhụrụ, kọwara akara dị ka ihe metụtara onwe, ya bụ na echiche e nyere akara bụ ka onye siri nghọta ya. O kwuru na o nweghi mmekọrịta dị oke mkpa dị n'etiti akara na echiche. Akara nwere echiche n'anya otu onye, nwere ike ọ gaghị enwe echiche n'anya onye ọzọ. E gosikwa nke a site n'eserese a:

Eserese 2




Mmekọrịta dị n'etiti akara na ihe bụ nke e gosipụtara n'eserese a nwere akụkụ atọ. Morris (1901-1979) kọwara na ntọala ọmụmụ akara kere amụmamụ akara ụzọ atọ: usoro okwu, echiche na akara. Echiche na-amụ mmekọrịta dị n'etiti akara na ihe, ebe amụmamụ akara na-amụ maka mmekọrịta dị n'etiti usoro akara na ndị mmadụ ji ezi ozi. Plato na Aristotle kwuru maka mmekọrịta dị n'etiti akara n'ụwa. Eco (1976) kwuru na akara metụtara ndị nwere ezi akọ na uche ma ọ bụ ụbụrụ isi. Danesi (1994) na-ekwu na ndị na-amụ maka akara kwesiri ibu ụzọ mụta ihe gbasara akara tupu e jiri ya zikọrịtawa ozi.

**Usoro nchọcha**

Usoro nchọcha a bụ sọvee nkọwa. Nworgu (1991) kwuru na sọvee nkọwa bụ ịchọpụta ihe dị adị kọwaa ya ma nye ya echiche n'ụzọ kwesiri. Ọ bụ ya ka e ji nyochaa akara ihu nke ọma n'ọrụ a ma wepụta echiche ha n'Igbo. Nchọcha a bụ n'ala Igbo, mana ọ gbadoro ụkwụ na Steeti Anambara, nke so na Isti Naịja dị ka Nwaozuzu (2008: 24) si chịkọba ya. Ndị e ji mee nchọcha a bụ mmadụ ise, bụ ụmụ amaala Igbo si na Steeti Anambara mana ha bi n'Ọnịcha. Ndị nwoke dị abụọ ebe ndị nwaanyị dị atọ. Ọ bụ mmadụ ise ndị a ka a gbara ajụjụ ọnụ ma nweta ọsịsa e ji nyochaa ọrụ a. Ihe bụ isi ngwa nchọcha a bụ ajụjụ ọnụ a gbara ndị mmadụ. Akọrọ ngwa e ji mee nchọcha a bụ igwe foto ọgbara ọhụrụ. E sere ha foto ndị a ka e dozisiri ha nke ọma. O nwere akara ndị e setaghị foto, ha bụ akara ndị metụtara isi. Nke a bụ maka na mmadụ agaghị aghọtacha mpụtara ya site n'ile foto ndị ahụ anya nkịtị.

.

**Mpụtara na ozi akara ihu dị iche iche n'Igbo**

Nchọcha a gbadoro ụkwụ na mpụtara na ozi akara ihu n'Igbo. Akara ndị a bụ akara metụtara isi, ihu niile, anya, ọnụ na imi. A ga-eji atụtụ akara nke Pierce nyocha ngwa ọrụ a. Atụtụ a gbadoro ụkwụ na akara, onye a na-akọwa ihu ya na nakwa ozi ndị ha na-ezi. Lee mpụtara na ozi dị iche iche ihu na-ezi n'otu n'otu:

1. **Oziakara Isi**

Site na nchọcha e mere, nwa nchọcha chọpụtara na o nwere ọtụtụ ozi e ji akara isi dị iche iche ezigasị n'ala Igbo. Ozi ndị ahụ bụ ndị a:

i. **Njụ na nkwe ma ọ bụ "ee na mba".**

E ji akara isi ezipụta 'ee na mba'. Njụ bụ anabataghị ihe e kwuru ebe nkwe bụ nnabata ihe. Site na nchọcha e mere, a chọpụtara site n'ọtụtụ ajụjụ, na njụ bụ ife isi n'akụkụ naabọ ebe nkwe bụ ifeli isi, fetuo.N'iga n'ihu, Ogbueshi na Oti (2019) a gbara ajụjụ ọnụ na nke a kwadoro nkọwa a. E kwekọrịtara na ozi isi njụ na nkwe na-ezi na nghọta ndị mmadụ gụnyere: 'Ekwere m ekwe', 'Anabatara m ihe e kwuru', 'Eso m n'ihe a na-eme', 'Ekweghị', 'Mụ na gị akwụghị', 'Ọ bụghị m ka unu na-agwa'.

**ii. Nchọpụta ihe omimi**

Ụdị ofufe isi ọzọ e nwere bụ ikwe n'isi nwayọọ nwayọọ ka ngwere. Nke a na-egosi 'nghọta' ma ọ bụ na ọnụụ kwadoro ihe okwuu na-ekwu. N'otu aka ahụ, Ogbueshi na Oti (2019) a gbara ajụjụ maka akara isi, kọwara na o gosiri ikwu ihe dabara adaba. E kwekọrịtara na ozi ikwe n'isi nwayọọ nwayọọ na-ezi n'obi onye na-ekwe ya bụgasị: ' Mmmm', 'Ọ bụ ihe ọ na-aghọ?', 'Taa ka m maara ya nke ọma', 'Ya bụ na mụ na ya akwụghịdị?'.

**iii. Onwunwe ọma iko**

Ụdị ofufe isi ọzọ e nwere dị ka ọtụtụ ajụjụ nchọcha si kwu bụ, ihihie isi nwayọọ nwayọọ igosi 'inwe ọma iko' maka 'ntaramaahụhụ'. Ọgọdimma (2019) na azịza ya, gbakwụnyere na nwa agbọghọbịa soro nwoke nke mbụ ya, nke ọghọm afọ ime ghọrọ, na-ehihiekwa ụdị isi a. Ozi ụfọdụụdị ihihie isi a na-ezi n'obi/anya ndị maara ihe ọ na-agabiga gụnyere: Ọ tagbue onwe ya n'ahụhụ', leenụ ihe o mere onwe ya', Onye ka a ga-akọrọnụ ihe o mere o kwe?'.

2. **Akara metụtara ihu niile**

Ihu bụ enyo e ji ahụ uche obi mmadụ. Ụfọdụ ozi ihu na-ezi gụnyere:

**Ihu mgbarụ**



**Foto 1**

Mgbarụ ihu n'ala Igbo site na nchọcha e mere gosiri onye anọghị n'ọnọdụ ọchị chaa chaa. Anya hụrụ ụdị ihu a, ga-aghọta na ọnọdụ a achọghị mkparịta ụka ọ bụla. Onye na-eru uju, nọ na nsogbu na onye ihe mebinahụrụ na-agbarụkwa ihu. Ozi mgbarụ ihu na-ezi na nchịkọta bụ: 'Ihe isiike', 'Ahụhụ', 'nsogbu' 'kedu ụdị ụwa m pụtara?', 'kedu ihe butere ụdị ọnọdụ a?', ' Ndị a egwuo ya wayooo' dg.

**Ihu echiche ma ọ bụ ihere**



**Foto 2**

Nchọcha e mere gosiri na ọtụtụ ihe na-eme ka mmadụ nọrọ n'echiche. Ihe na-eme ka a nọrọ n'echiche abụghịkwanụ ihe na-enye obi aṅụrị. Ihe ndị ahụ gụnyere: nrịa nrịa, mmegbu, enweghi ego, amụtaghị dg. Na nchịkọta, ozi ihu echiche/ihere na-adị ezi bụga: 'E nweghi onye inye aka', 'Ị nọ na nsogbu', Olee ụzọ m ga-eso?', 'Ebee ka m ga-agbaje?'.

**Ihu iwe; 'esemokwu'**



**Foto 3**

Onye iwe na-ewe na-ama ihu akpụ. A na-ahụta ihu dị etu a ka nke adịghị achị ọchị; nke na-atụ egwu. Ihu onye ahụ na-agbagọtụ ma fịgọọ, na-egosi enweghi nkwenye n'ihe a na-eme ma ọ bụ a na-ekwu. Nke a pụtara na onye tinye isi ya, o buru ajọ ọnọdụ ahụ. A na-achọpụta onye nwere ụdị ihu a ọsịịsọ. Ọ na-akwụba ihu ya ọtọ. Na nchịkọta, e kwekọtara na ụfọdụ ozi ihu iwe na-ezi gụnyere: 'Obi adịghị mma', 'Ihe ụwa ịgbalahị mmadụ', ' Onye ọ bụla nọọrọ onwe ya', 'Achọghị m mmekọ onye ọ bụla.

**Ihu nkwachapụ ọchị**



**Foto 4**

A chọpụtara na ọ bụ naanị akara a bụ ihe kọwara onwe ya, ya bụ, nke onye ọ bụla a gbara ajụjụ kwuru na ọ bụ akara aṅụrị. A naghị ezo akara aṅụrị ezo, ma nwata ma okenye maara mpụtara nke a. Ụdị ihu a gosikwara onye a kpara ezigbo amụ. A na-asagheru ọnụ n'isi oge

a na-achị ụdịrị ọchị a. O nwekwara ike igosi onye mmeri. Mgbe ụfọdụ, ọ bụrụ onye nnukwute ihe ọma bịaara. A chịkọtara na ozi ihu ọchị na-ezi bụ: 'Aṅụrị na-egbu m ka mmaya', 'Ọchị atọgbue m', 'Obi na-asọ m rịkpọọ', 'Ụbọchị taa amaka'.

**Ihu ụfụ**



**Foto 5**

Mmeru ahụ dị ka ịkpọbi ụkwụ, aka, ọkụ ịda mmadụ, ihe mberede okporo ụzọ, ihe ịtado mmadụ atado na ihe ụfụ ndị ọzọ gasị ka e ji akara a ezipụta. Ọ bụ ihe ike na ntụmadụ ime mmadụ.Akụkụ ahụ o metụtara bụ ihu niile, imi, anya, aka, egbugbere ọnụ abụọ jasara ajasa, ya na eze elu na eze ala tachiri atachi. Ọtụtụ ndị a gbara ajụjụ kwuru na ozi ihu ụfụ na-ezi n'obi onye ọ na-afụ bụga: 'Oooooo!', 'Heiiii',' Ewoooo! 'Anwụọ m oooo! 'Nne mụ ooo!', 'Nna mụ ooo!'.

**3. Akara metụtara anya**

Anya bụ enyo e ji ahụ uche obi mmadụ. Anya mmadụ na-egosi ọnọdụ mmadụ nọ na ya ma ọ bụ ihe ọ na-eche. A bịa n'akara ihu niile e nwere, nke metụtara anya kacha n'ọnụọgụ.

**Ilefu anya**




**Foto 6**

Ilefu anya bụ iwepụ anya ma ọ bụ ihu n'ọnọdụ, ebe ma ọ bụ ihe a chọghị ka a hụ nke nọchiri onye ahụ ihu/anya. A chọpụtara na a na-enweta ụdị akara a mgbe nkata mmadụ abụọ na-akpa amasịghịkwa onye nke ọzọ. Onye ahụ na-egosi na uche ya adịghị ya site n'iburu ihu ya mafuo n'akụkụ. Ozi ilefu anya na-ezi bụ: 'Achọrọ m ịma?', ', Ọ gbasaghị m', 'Amaghị m ihe unu na-ekwu', 'Enweghi m mmasị', 'Achọghị m ịhụ ya'.

**Ịrọ anya**

**Foto 7**



E ji akara ịrọ anya egosi mmadụ na ihe o mere adịghị mma n'ala Igbo. E jikwa ya asị mmadụ na ọ nọghị ebe o kwesiri ịnọ ma ọ bụ na o yighi ihe o kwesiri iyi. O metụtara naanị onye rọrọ anya. Ozi a chịkọtara ịrọ anya na-ezi gụnyere: 'M maa gị ụra m ga-ama gị', 'M ruo gị nso ee', 'Ọ kwa ị dịghị anụ ihe?',

**Akara ntọọọ**



**Foto 8**

Ụdị akara a pụtara ịchị ọchị n'ihe ọjọọ mere mmadụ, karịa imere ya ebere.. Ọ bụ akara metụtara anya na akụkụ ahụ ndị ọzọ dị ka, imi, egbugbere ọnụ abụọ na ire sepụtara esepụta. A chọpụtara na ọtụtụ ji ya agwa ụmụaka ntị ike okwu ma ha meruo ahụ. Na nchịkọta, e kwuru na ozi akara ntọọọ na-ezi bụga: 'Ọ bụ ihe ka gị mma', 'Onye ntị ike', 'Nke ahụ gbasara gị', ' Onye iro m, ya webe gị oooo', 'Aka m gị mma ooo'.

**Akara mgbagwọju anya**



**Foto 9**

Ụdị akara a metụtakwara anya na akụkụ ahụ ndị ọzọ. O metụtara anya, imi na ọnụ. Akara a bụ mmadụ ikpoghewe ọnụ, anya na imi n'ụjọ ma ọ bụ na ntụmadị, n'ihi na o yiweghi uche ihe ahụ mere. A chịkọtara na mgbagwọju anya na-ezi ọtụtụ ozi ndị gụnyere: 'Ewoo!', 'Anwụọ m oo!', 'Heiii',

**Nsusu ọnụ**



**Foto 10**

Nsusu ọnụ bụ mmadụ abụọ iwekọta egbugbere ọnụ ha abụọ ọnụ, ma mịchaa ma ọ bụ susuo ha. Nchọcha e mere gosiri na a na-ahụ ụdị akara ezimozi a n'ebe ọtụtụ mmadụ ndị toro eto nọ. Di nwere ike isusu nwunye ya ọnụ. Nne na nna na-esusu nwa ha ọnụ. Enyi

nwekwara ike isusu enyi ya ọnụ dịrị gawa. Ozi a chịkọtara nsusu ọnụ na-ezi bụga: 'Ịhụnanya', 'Obi ebere', 'Ekele', 'Igosi agụụ inwe mmekọ nwoke na nwaanyị',dg.

**Imi ọnụ**




**Foto 11**

A chọpụtakwara na ọ bụ ụmụ nwaanyị na-emikarị ọnụ mgbe onye ha kpọrọ asị gafere. N'omenala Igbo, a kọwara na ọ pụtara 'legodu onye nke a, ọ bụ ka e wee sị? Ozi imi ọnụ na-ezi na nchịkọta bụga: 'Leenụ ngwụrọ nke a', 'ofeke mmadụ', 'Ebee ka o ruru mụ na ya'

**Ịta ikikiri eze**



**Foto12**

Nke a bụ mmadụ ịdị na-egwe eze ya. A na-ahụkarị iji eze zie ụdị ozi a n'ebe ụfọdụ ndị okenye nọ. A chọpụtara na mgbe ụfọdụ, igwe eze na-abụ ihe bịaara mmadụ, nke ọ gaghị ekwupụtanwu, o were ịta ikikiri eze na-ezipụta ha. Ozia chịkọtara ịta ikikiri eze na-ezi n'obi onye na-ata ya gụnyere: 'O nweghi ihe m nwere n'ụwa', 'Mmadụ efulefu ka m bụ', ' Ihe ụwa agbalahịla m', 'Keduụdị ahụhụ mmadụ nọ na ya ihe a?, Onye amosu.

## Uru akara ihu bara

- Onye ọ bụla ji ha ezi ozi, ma okenye ma nwata n'akụzighi akụzi.
- Ozi akara ihu adịghị eme mkpọtụ.
- Ọ bụghị ọnọdụ chọrọ ọtụtụ mmadụ.
- Ọ bụ ihe e ji ọgụgụ isi na akọ na uche eme.
- E ji ha ekwu okwu na nzuzo. Ya bụ mgbe a chọghị ka e mepee ọnụ kwupụta okwu.
- Ọ na-adị ọsịịsọ n'iji ha ezikọrịta ozi.

## Ọghọm ụfọdụ dị n'iji akara ihu zie ozi

- Ọtụtụ na akara ndị a ka e ji eme nkọcha.
- Onye enweghi ezi akọ na uche agaghị ejinwu ha zie ozi.

## Nchịkọta

Site na nchọcha e mere, a chọpụtara na o nwere ọtụtụ akara ihu metụtara naanị omenala Igbo. Ụfọdụ n'ime ha bụ: akara metụtara isi, ihu, anya, ọnụ na imi. Akara isi dị anọ, ọmụmaatụ isi bụ 'Ee na mba', 'ikwe n'isi nwayọọ nwayọọ ka ngwere, nke ozi ha na-ezi bụ 'ọmaiko', 'okwukwe' na 'ọjụjụ'. Akara ihu dị ise. Ụfọdụ n'ime ha bụ, ihu mgbarụ, nke ozi ya bụ ihe isiike, ahụhụ, ihu ụfụ nke ozi ya bụ heiiiii, ewoooo!, Akara anya dị anọ,ụfọdụ n'ime ha bụ ilefu anya, nke ozi ọ na-ezi bụ achọrọ m ịma?, ọ gbasaghị m, Ịrọ anya nke ozi ya bụ 'ọ kwa ị dịghị anụ ihe', 'aka m kpara gị. Akara ọnụ dị abụọ, ọmụmaatụ ya bụ nsusu ọnụ nke ozi ya bụ ịhụnanya, ekele. Akara eze bụ ịta ikikere eze nke ozi ya bụ 'ụwa ịgbalahụ mmadụ', onye amosu'.

A chọpụtara na ụfọdụ akara ihu dị ka ịrọ anya, imi ọnụ, isu imi, ntọọọ bụ ụmụ nwaanyị na-ejikarị ha akọcha mmadụ ma ọ bụ agba asịrị. Mana mgbarụ ihu, iwe, ihu echiche bụkarị n'akụkụ ụmụ nwoke ka a na-ahụkarị ha. A chọpụtakwara uru akara ihu ndị a bara. Nke a pụtara na nchọcha niile a e mere gosiri na omenala ọ bụla nwere etu ha si enye nkọwa banyere akara ihu dị iche iche e nwere. Ọ bụkwanụ etu a ka ndị Igbo si enye nkọwa mpụtara na ozi akara ihu nke ha.

**Mmechi**

Site na nchọcha e mere, a chọpụtara na e nwere ọtụtụ akara ihu e ji ezi ozi n'ala Igbo dị ka ọ dị n'omenala ndị ọzọ. A chọpụtakwara na ndị Igbo ji akụkụ ihu ha niile, isi, anya, ọnụ na imi ezipụta echiche obi ha n'ụzọ dị iche iche. Ihu dị oke mkpa na ndụ mmadụ ọkachasị n'ala Igbo. Ya mere o ji dị mkpa ka onye ọ bụla jikwaba ihu ya nke ọma, ka ọ ga-abụ e lee ya anya n'ihu, ọ na-egosi ọ̀nụ maka na e si n'anya ama ọka chara acha. Ọ dị mkpa iji ụdị ezimozi a kpọrọ ihe dị ka nke ederede na ekwumekwu.

Na mmechi, ihu ka e ji ezipụta uche obi mmadụ. Nwa nchọcha na-atụ aro ka ndị nchọcha ndị ọzọ, kaba ahụ lebakwuo anya n'ozi akụkụ ahụ ndị ọzọ, dee edemede na ha ka ndị mmadụ mata ha.

## Edensibịa


Abercrombie, D. (1968). Paralanguage. *British journal of disorders of communication .3;55-59.*

Agyekum, K. (2004). The socio-cultural concept of face in Akan communication. *Pragmatics and Cognition, 10*(1); 27-55.

Akaan, S. S. (2010). Nonverbal communication: The semiotics of facial eụpression in Tiv. Nguputa semina maka nzere Ph.D., Mahadum Naijiria, Nsụka.

Anagbobu, P.N., Mbah, B.M. & Eme, C.A. (2010).*Introduction to linguistics.* Awka: J.F.C .

Asadu, A. N. (2013), "Mpụtara akara ihu dị iche iche n'Igbo". Ngụpụta semịna maka nzere Ph D., Mahadum Naịjirịa, Nsụka.

Atitono, S.A. (2006). *The semantics of facial expression in Gurene.* Akwụkwọ a gụpụtara na 25th West African Linguistics society Conference (WALSC), a chịkọwara n'Ọuidah, Benin Republic na Julai 30-Ọgọst, 6 2006.

Bloomfield, L. (1933). *Language.* New York: Henry Holt.

Burns, J. (2009). *Facial expression*. BBC News;14 Ogost , 2009.

Crystal, D. (1997). *The Cambridge encyclopedia of language*. (mbgh. 2), Cambridge: Cambridge University Press.

Danesi, M. (1994). *Messages and meanings: An introduction to semiotics.*Toronto: Canadian scholars' press.

Eco, U. (1976). *A theory of semiotics.* London: Macmillian.

Eibl-Eibesfeld, L. (1973). The eụpressive behavior of the deaf and blind born. Na M. Von Cranach & I. Vine, (ọhz.) *Social communication and movement.* New York: Academic Press.

Eke, J. G. Ị2001}. Igbo-English dictionary (ọkọwa`okwu) Enugu: New generation books.

Ekman, P. (1978). *Facia signs: Facts, fantasies, and possibilities: Na T. Sebeok (ọhz) sight, sound and sense.* Bloomington: Indian University Press.
Ekman, P. (1994). "Strong evidence for universalities in facial eụpression". A reply to Russell's mistaken critiọue. *Psychological bulletin* .115-34-38.
Fitzgerald, J. (1966). *Pierce'theory of signs as a foundation for programming.* The Hague: Mouton.
Hager, J. C. (1983) . *The inner and outer meaning of facial expressions.* NewYork: Guilford.
Hudson, R.A. (1996). Sociolinguistics. (mbgh.2). Cambridge. Cambridges University press
Hybel, S. & Weaver, R .L. (1989). Communicating effectively. New York: Random House.
Matsumoto, D. (1992). More evidence for the university of a contempt expression. Springer Netherlands. *Journal on motivation & emotoin.* 16(4): 12-14.
Morris, C.S. (1971). *Writing on the general theory of signs*. The Hague: Mouton.
Nwaozuzu G. I. (2008). *Dialects of Igbo language.* Nsuka. University of Nigeria Presss
Ngoesi, M.C. (1993). *Nchịkọta iheọmụmụ nke asụsụ Igbo*. Nkpor: optimal perss
Nwalozie, N. F. (2011). Lingustics and eụtralingustics criteria for distinguishing language and dialect. Ngụpụta semịna maka nzere M.A, Mahadum Nạijirịa, Nsụka.
Nworogu, B.G. (1991) Education research: Basic issues & methodology. Ibadan: Wisdom Publishers.
Odo, C.O. (2011). Linguistics and eụtralinguistics criteria. Ngụpụta seṃina maka nzere M.A, Mahadum Nạijirịa, Nsụka..
Pierce, C. S. (19770. *Semiotics and signifies* (ọhz.) Charles Hardrick. Bloomington I. al: Indian University press.

## MGBAKWỤNYERE 1

### Ndị niile agbara ajụjụ ọnụ

| No | Aha ndị a gbara ajụjụ | Afọ | Aka ọrụ | Ụbọchị ajụjụ |
|---|---|---|---|---|
| 1. | Mz.Emmanuel Chukwu | 69 | Ọkwọ ụgbọala | 04/07/2019 |
| 2. | Mz.Ugochukwu Ononye | 60 | Oji ego achụ ego | 08/07/2019 |
| 3. | Ọkm. Ogonna Oti | 72 | Onye ọrụ oyibo lagoro ezumike ọrụ | 11/07/2019 |
| 4. | Mz.Izuchukwu Ogọdimma | 58 | Ọkwọ ụgbọala | 13/07/2019 |
| 5. | Ichie Benjamin Ogbueshi | 70 | Ọkwọ ụgbọala | 13/07/2019 |